Nka Na Usoro Iwulite Nkuzi Na Ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo N′ Ụlọakwụkwo Jụnịọ Sekọndịrị Dị N′ Okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra Nọtụ

Si N′aka
Eze, Roseline Ifeoma Ph.D
Department of Arts Education, Faculty of Education
University of Nigeria Nsukka, Nigeria
08064008703 roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng

Ugwuoke Priscilla Ebere Ph.D
Department of Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka, Nigeria
08037786613
ebere.ugwuoke@unn.edu.ng

Abonyi Augusta Ngozi Ph.D
Department of Arts Education, Faculty of Education
University of Nigeria Nsukka, Nigeria
08030899936
augusta.abonyi@unn.edu.ng

Ụmị Ederede

Nchọcha a lebera anya na Nka na usoro iwulite nkuzi na Ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo n′ogo agụmakwụkwọ Junịọ Sekọndirị n′ okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra. E ji usoro nchọcha sọvee nkọwa mee nchọcha a. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ọsịsa njụmaza na nka na usoro iwulite nkuzi na Ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo n′ Ụlọakwụkwọ Jụnịọ Sekọndịrị dị n′ okpuru ọchịchị Oyi Nọtụ (NNUINOUINUJS). Ọ dị iri (10) n′ ọnụọgụ nke ndị nchọcha mebere iji lele ka Nka na usoro nkuzi si ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo o′ogo agụmakwụkwọ Junịọ Sekọndirị n′ okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra. Ndị Ọkammụta nọ na ngalaba Mmụta Nka nakwa measurement na evaluation leziri anya nye ntụziaka etu ọ dị ugbu a. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha. E mere nnwale ntụkwasịobi nke nyere akara 0.79 n′usoro Crombach Alpha. Ọnụọgụ ndị njrimee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị otu puku na narị abụọ (1200) nọ n′ogo agụmakwụkwọ afọ nke abụọ. E ji usoro tụmbọm tụmbọm

họpụta ụmụakwụkwọ dị otu nari na iri abụọ (120) n'ọnụọgụ n'ime ọnụọgụ ndị njrimee nchọcha. Ha seere ụlọakwụkwọ anọ n'ime ụlọakwụkwọ niile di n'okpuru ọchịchị Oyi Steti Anambra mee nchọcha a. Nchọpụta gosiri na ndị nkuzi tosiri igbaso usoro n'akpalite mmụọ n'ikuzi utọasụsụ Igbo, ejighi nka na usoro nkuzi dabara adaba n'akuzi ihe, agwa ndị nne na nna n'ebe asụsụ Igbo nọ socha akwatu nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra. Site na nchọpụta, ndị nchọcha tụrụ aro ka gọọmenti gbaa mbọ igwuzobe ọgbakọ semina kwamgbe kwamgbe iji kuziere ma kpughere ndị nkuzi ụzọ ọgbaraọhụụ ha ga na-agbaso n'ikuzi ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọzọkwa, nne na nna tosiri ibido n'oge na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha bido n'oge ha pere mpe, ndị isi ụlọakwụkwọ sekọndịrị tosiri ịdị na- egwuzobe asọmpi n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ha dị iche iche iji kpalite mmụọ na mmasi ha n'ụtọasụsụ Igbo nke ha na-ahụta dịka ngalaba tara nnukwu akpụ n' asụsụ obụla ọkachasị n' asụsụ Igbo.

Ntọala Nchọcha

Asụsụ bụ ihe mmadụ ji egosiputa echiche ya maọbụ ihe ọ chọrọ nke dị ya n'obi. Ọ bụ asụsụ mmadụ n' asụ ka e ji mara ya. Nke a pụtara na ọ bụ asụsụ onye na-akọwa ya maka na ọ bụ site n' asụsụ onye ọbụla ka e si amata agburu maọbụ obodo onye ahụ si na ya pụta. Eze (2019) kwadoro na asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nke a bụ maka na mmadụ dum nọ n' ụwa a nwere asụsụ ha na-asụ. Asụsụ so n'otu ihe dị mkpa mmadụ ji wee dị iche n' ebe ụmụanụmanụ nọ. O nweghi onye nọ n' ụwa enweghi asụsụ e ji mara ya. Obodo ọ bụla maọbụ mba ọ bụla nwere asụsụ nke aka ha. Asụsụ bụkwa ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke mmadụ ji aka ya mebe iji na-akọwapụta echiche ya. Eze na Umo (2022) kwadoro na asụsụ bụ isi sekpu ntị n'ọnọdụ ihe ọmụmụ ọbụla. Asụsụ bụ okwu ọnụ mmadụ ma bụrụkwa mmeghari ahụ na mkpọtụ nke e ji egosiputa ebumnuche maọbụ echiche. Nke a pụtara na mkpọtụ ụmụ anụmanụ na-eme bụ asụsụ nke ha ji ezirita onwe ha ozi.

Asụsụ mmadụ na-asụ n'etiti onwe ha bụ maka nghọta. Ndị nọkọrọ ọnụ wee na asụ otu ụdị asụsụ bụ ndị mụtara asụsụ ahụ nke ọma. Afiadịgwe na Onuigbo (2014) kwadoro

Onye amụtaghị ya maọbụ aghọtaghị asụsụ agaghị enwe ike ịsụ asụsụ doro anya . Ọ bụghị naanị otu ụdị asụsụ ka e nwere n'ụwa. Ọ bụ ya mere na nwere ọtụtụ mmadụ dịgasị iche iche na ọtụtụ asụsụ dịgasị iche iche n'ụwa.

N'ala Najirịa, e nwere ọtụtụ agbụrụ dị iche iche ma ha nwere asụsụ e ji mara ha n' otu n' otu. Asụsụ ndị kacha pụta ihe na Naijirịa dị atọ. Ha gụnyere: Igbo, Hausa na Yoruba. Ụfọdụ asụsụ ndị ọzọ a na-enweta na Naijirịa bụ ndị a: Tivi, Ijaw, Ibibio, Efik, Idoma, Igala, Urobo na ndị ọzọ. Asụsụ ọbụla nwere ndị nwe ya. Ya bụ na nghọta dị ezigbo mkpa n'ebe asụsụ dị.

Ọ bụ ndị Igbo nwee asụsụ Igbo ma na-asụkwa ya maka nghọta n'etiti onwe ha (Agada na Obetta 2017) . E nwere steti ise mebere ala ndị Igbo bụ ndị amaama na-asụ asụsụ Igbo. Ha gụnyere: Abia, Anambra, Imo, Ebonyi, na Enugu steti. E nwekwara ụfọdụ steti ndị nọgasi dịka obodo maọbụ steti. Ha bụ ndị a na-akpọ "half cast" na Bekee. Steti ndị a bụ Delta Igbo, Rivers na Edo Steti. Asụsụ Igbo so n'otu asụsụ ala Naijirịa a na-amụ n' ụlọakwụkwọ. Ọmụmụ asụsụ Igbo nwere nkeji atọ. Ha bụ: agụmagụ, omenaala na ụtọasụsụ. Ọ bụ ihe atọ ndị a ka na-agbado ụkwụ n'ikuzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ọbụla a na-amụ asụsụ Igbo.

Ụtọasụsụ gbadoro ụkwụ n' ọmụmụ na nkọwa iwu na-achị asụsụ. Ụtọasụsụ metụtara iwu na-achị ndọkọ, nkọwa, njikwa, mkpọpụta na nghọta mkpụrụ okwu na-ebe ọ dabara n' usoro ndị asụsụ ahụ ma marakwa ya nke ọma. Eze (2016) kọwara ụtọasụsụ dịka ụzọ asụsụ si agwakọta na usoro ijikọ mkpụrụokwu maọbụ irighiriokwu mebe nghọta pụtara ihe. A na-ahazi ụdaokwu n' ụzọ dị iche iche n' ụdị ọ ga-ezipụta nghọta zuru oke. Ụtọasụsụ na-atọ ntọala e ji ewulite asụsụ. Ewezuga ụtọasụsụ, asụsụ agaghị enwe uru ọbụla ọ bara. Ụtọasụsụ kewapụrụ asụsụ mmadụ na nke anụmanụ. Onye ọbụla mara ụtọasụsụ e jiri hazie asụsụ ọbụla, ga-enwe nghọta banyere asụsụ ahụ, ọbụladị sọọsọ e kwuru n' ọnụ ya. Onye nwere ezigbo mmụta banyere ụtọasụsụ ọbụla, ga-enwe ike igụpụta ma depụtakwa asụsụ ahụ nke ọma n' akwụkwọ. Ọ bụ n' ụtọasụsụ ka e si amata onye kwụ chịm n' ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihi ya, ọ dị ezigbo mkpa ka amalite ikuziri ya ụmụaka n'ogo praịmarị ruo n' ogo sekọndịrị site n'iji nka na usoro kwesiri ekwesi maka na ọ ga-enyere ha aka ịmata nka na usoro mmebe okwu nke ọma. Atụtụ Bandura (1922) kwadoro na mmụta ụtọasụsụ na-esite n'akparamagwa.

Nka bụ ihe mmadụ chepụtara site n'ọgụgụ isi ya ọ na-agbaso na-egosipụta echiche ya. Nka nkuzi bụ usoro ndị odee na-agbaso ede edemede, iji chọọ edemede ha mma. Ebe (2004) kọwara na nka bụkwa ihe ọbụla mmadụ cheputara site n' ọgụgụ isi ya. Eze na Umo (2021) kọwara nka dịka usoro dị iche iche n' ezipụta ndịiche dịgasị n' imepụta ihe. A bịa n' ụwa taa, mmadụ ọbụla nwere mkpa dị iche iche na-akpa ya. O nwere ike bụrụ mkpa imeputa ọgwụ e ji agwọ ọria, igụ akwụkwọ, imeputa akwa a na-eyi n' ahụ e ji ekpuchite ọtọ, imeputa igwe e ji ezirita ozi, imeputa ụgbọala e ji eme njem na ọtụtụ ihe ndị ọzọ dịgasị iche iche. Asogwa, Agada na Obetta (2017) na-egosi na ọ bụ ọtụtụ mkpa ndị a mmadụ nwere mere na mmadụ malitere chewe echiche ụzọ a ga-esi gboo ya. Ụzọ ọbụla onye cheputara were gboo ya bụ mkpa nke sitere n' echiche ya maọbụ n' ọgụgụ isi ya ka a na-akpọ nka.

Nka nkuzi bụ ụzọ ọbụla onye nkuzi gbasoro were kuzie ihe na klasị iji mee ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe ọ na-akuziri ha nke ọma n'oge ahụ. Ụzọ ọbụla e si akuzi ihe ga-eme ka mmụta dịrị ụmụakwụkwọ mfe ma dịkwara onye nkuzi mfe bụ ọrụ nka nkuzi. Onye nkuzi gbasoro ezigbo nka, ụmụakwụkwọ ga-aghọta ihe ọ na-akuzi ngwa ngwa. N'otu aka ahụ, nkuzi ga-agara ya were were nke na ọ gaghị agba okpofu n' ime ya iji mee ka ndị ọ na-akuziri ghọta ihe ọ na akuzi ha nke ọma. Maka nke a, ezigbo nka nkuzi na-ebute ezi nghọta na mmụta tọrọ atọ. Ebumnuche ghasara nka ọbụla onye nkuzi ji akuzi ihe bụ ka ụmụakwụkwọ ghọta ma mụtakwa ihe ọ na-akuzi. Rajalakshmi (2011) , Ugwuoke & Odada (2023) kwadoro na ụdị nka onye nkuzi asụsụ ji akuzi ihe na-eme ka ụmụakwụkwọ mụta maọbụ ghara ịmụta asụsụ ọsọọsọ. Ya bụ na nka na usoro onye nkuzi ji akuzi ihe bụ ihe so akwalite mmasị ụmụakwụkwọ n'ihe a na- akuziri ha. Ọmụmaatụ ụdị nka e nwere ike iji kzie ihe bụ: igba ajụjụ ọnụ, ịkọ akụkọ, mkparitaụka, ngosiputa, ọgụgụ, ngụpụta na ndị ọzọ. Onye nkuzi ekwesighi ịdị na-eji otu usoro akuzi ihe, kama ọ ga na-atụgharị aka n' usoro ya. Usoro onye nkuzi asụsụ Igbo ga-agbaso na-akuzi asụsụ Igbo bụ: usoro a, b, ch…, usoro ụda okwu, usoro lee ma kwuo, usoro mmepụta ahịrịokwu na ndị ọzọ. Usoro ndị a na nkọwa Ugwuoke na Odada dị ezigbo mkpa maka na ọtụtụ ụmụakwụkwọ makarịrị asụ asụsụ Igbo ala olundị nna ha nke mere na asụsụ Igbo ha na-asụ anaghị adaba nke ọma n'Igbo izugbe. Ngalaba National Policy on Education (NPE 2013) kwadoro na ndị nkuzi ga na-agba mbọ iji usoro nkuzi ọgbara ọhụrụ dịgasi iche iche akuzi ihe n' ogo mmụta niile n' ụlọakwụkwọ nke metutara: Ịmata ka e si akpọpụta okwu ụfọdụ dị iche iche, Ịgbaso usoro

ụtọasụsụ Igbo akpọpụta okwu, Igbaso usoro ekwumekwu dị iche iche n' asụsụ Igbo ekwu okwu Igbo nke kpaliri mmụọ ndị nchọcha n'isiokwu nchọcha a.

Ndị nchọcha a dịka ndị nkuzi asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị chọpụtara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n' ule asụsụ Igbo Junịọ nke West African Examination Council (WAEC) kemgbe afọ ole na ole gara aga. Nke pụtara ihe n'okwu Onyeisi ule WAEC asụsụ Igbo Junịọ (Chief Examiners Report 2022) na-egosi na ụmụakwụkwọ emetaghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo. Ihe ọzọ a chọpụtara n' akwụkwọ ọsisa ụmụakwụkwọ bụ na ha anaghi agbaso iwu gbasara ụtọasụsụ ede edemede asụsụ Igbo. Ha amaghị usoro a na-agbaso emebe okwu Igbo, nsupe okwu, na akpọpụta okwu. Ha amaghị iwu dị n' ụtoasụsụ Igbo na usoro e si ede ya. Ha amaghị okwu Igbo ndị nwere ụda abụọ maọbụ karịa. Ha amaghị maka nkeji asụsụ okwu Igbo nke ha na-ama emepụta ahịrịokwu. Ha amaghị ọrụ "na" na 'ga' na-arụ n asụsụ Igbo. Ihe ndị a niile na-ebute ọdịda na emetaghị nke ọma ụmụakwụkwọn' ule asụsụ Igbo nke JSSCE. N' ihi ya, o kwesiri ka a malite n'oge, ogo junịọ sekọndịrị tọọrọ ha ezi ntọala gbasara ụtoasụsụ Igbo tupu ha e ruo n'ogo sịnịọ sekọndịrị. Eze (2016) kwuru na ọ bụ n' ọmụmụ ụtọasụsụ ka mmadụ si enweta nka asụsụ anọ (Ogige, Okwukwu, ọgụgụ na odịde. Nzikọrita ozi a na nkọwa Eze nwere ike idị n' ụdị ekwuru n' ọnụ maọbụ ederede. N'ịganihu, Eze kọwara na ọ bụ site n' ịmụta nka anọ ndị a ka ụmụakwụkwọ ga-esi enweta mmụta tọrọ atọ gbasara ụtọasụsụ. Ọ gara n' ihu kọwaa na mmụta ụtọasụsụ ga-enyere mmadụ aka imezi mmehie onye ahụ na-emebu oge o ji asụsụ ahụ arụ ọrụ, ma mekwa ka onye ahụ nwee ike ijizi asụsụ ahụ na-ezikọrịta ozi n' ụzọ dị ire. Akparamagwa ndị nne na nna bụ ndị na-agwa ụmụ ha na ịsụ asụsụ Igbo adịghi mkpa bụkwa nnukwu mmekpaahụ, Ụfọdụ ndị nkuzi asụsụ Igbo amaghị ya bụ asụsụ Igbo nke ọma, ebe ụfọdụ ndị nkuzi asụsụ Igbo na-eji asụsụ Bekee akuzi asụsụ Igbo. Ihe ndị a niile so eme ka ụmụaka ghara inwe mmasị n' ọmụmụ asụsụ Igbo, nke mere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghi ege ntị mgbe ndị nkuzi asụsụ Igbo na-akuziri ha ihe. Nke a na-ebuta ọdịda na emetaghi nke ọma n' ule JSSCE asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ ndị nchọcha a n' ileba anya na nka na usoro iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ogo jụnịọ sekọndịrị, ọkachasị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra.

Nsogbu Nchọcha

Enweghi mmasị Ụmụakwukwọ asụsụ Igbo n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị, ọkachasị n' ogo agụmakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị mere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghi enwe ntọala dị ọkpụrụkpụ n'iwu ụtọasụsụ Igbo. Nke a mere na mgbe ha jiri ọnọdụ a gaa n' ogo sịnịọ sekọndịrị, o nwere ike mee ka ha ghara imata iwu na usoro mwube okwu n' asụsụ Igbo nke ọma. Nke a nwere ike ibute emetaghị nke ọma n' asụsụ Igbo n' ule SSCE. Ọtụtụ ụlọakwụkwọ ọkachasị nke a bụghị ndị gọọmentị nwe anaghịzị akuzi asụsụ Igbo. Nke a mere na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na-adaghachi azụ. Nsogbu nchọcha a lebara anya na nka na usoro nkuzi dị mma ga-enye aka iwulite nkuzi na ọmụmụ Asụsụ Igbo ọkachasị ụtọasụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra.

Mbunuuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ileba anya na nka na usoro iwuite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Nchọcha a ga-elebakwa anya n'ịchọpụta ihe ndị a:

1. Nka nkuzi dị iche iche ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.
2. Imata usoro nkuzi ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.

Uru Nchọcha

Nchọcha a ga-enyere ụmụakwụkwọ, ndị nkuzi, ndị gọọmentị na ndị obodo aka nke ukwuu. Ọ ga-eneyekwara ụmụakwụkwọ aka ọkachasi ndị nọ n' ogo jụnịọ sekọndịrị, ka ha mụta etu e si emebe okwu, nsụpe mkpụrụokwu, ịkpọpụta okwu., iwu dị n' usoro edemede asụsụ Igbo. imejuputa ahịrịokwu na ọrụ dị iche iche 'na' na 'ga' na-arụ n'asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-enyere ndị nkuzi aka ịmata: ezigbo nka nkuzi, nghọta nakwa usoro ụtọasụsụ. Nchọcha a ga-enyere ndị gọọmentị aka, ịtụpụta ezi atụmatụ maka agụmakwụkwọ, ịmata ezi nka na usoro kacha mma ha ga-ewepụta ka ndị nkuzi jiri na-akuzi ihe nke ga-enye aka iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ogo jụnịọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha

I ji hụụ na nchọcha mịtara mkpụrụ a tụrụ anya ndị nchọcha wubere ajụjụ nchọcha ndị a :

- Kedu nka nkuzi ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo?
- Olee usoro nkuzi ga-enye aka n' iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo?

Usoro Nchọcha

Udị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Nchọcha sovee nkọwa dịka Eze (2022) siri kọwaa bụ udị nchọcha nke e si na ya enyocha igwe mmadụ maọbụ ihe site n'ikpọkọta na inyocha ihe a chọpụtara site na mmadụ ole na ole maọbụ ihe ole na ole ndị nochitere anya ndị ọzọ. Ọ bụ nchọcha sovee nkọwa bụ nke dabara nke ọma na nchọcha a maka na nchọcha a na-eleba anya na nka na usoro Iwulite Nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ Jụnịọ Sekọndịrị dị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra.

Ebe a ga-anọ mee nchọcha a bụ n' ụlọakwụkwọ Jụnịọ Sekọndịrị dị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra nke nwere obodo dị iche iche mejuputara ya. Ha gụnyere ndị a: Nkwelle-Ezunaka, Awkuzu, Ogbunike, Umuneba, Umunya and Nteje. Ha nwere agbataobi ndị a: Ifite-Dunu, Awkuzu, Nteje, Nkwelle-Ezunaka, Ogbunike, and Umudioka. Ndị okpuru Ọchịchị Oyi bụ ndị a mara dịka ndị na-ejikarị olundị ha enwe mkpakọrịta na-agbanyeghi ebe ọbụla ha nọ. A makwara ha dịka ndị na-azụ ahịa, ịkụ azụ na ịkọ ọrụ ugbo ebe ọ dị ukwu nke na-apụtakarị ihe n' usoro ebimndụ na gburu gburu obodo ndị Oyi. Ihe mere ndị nchọcha a jiri họrọ Oyi nọtụ bụ na asụsụ mkpọkọokwu e ji mụọ ndị ụmụafọ ndị Oyi mere ka ha na-enwe nhịa ahụ n'ịkpọkọ mkpụrụokwu ụtọasụsụ Igbo izugbe nke ọma.

Ndị a ga-eji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ gọomentị nwee ndị nọ n'ogo Jụnịọ Sekọndịrị nke atọ n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra. Ọnụọgụ ha dị otu nari na iri abụọ (120) n'ọnụọgụ nke e si n'ime ụmụ akwụkwọ di otu puku na iri abụọ (1200) họpụta. Ha seere ụlọakwụkwọ anọ n'ime ụlọakwụkwọ niile di n'okpuru ọchịchị Oyi Steti Anambra mee nchọcha. (PPSMB, Anambra). Nchọcha a bụ nke e ji nanị ụlọakwụkwọ ogo Sekọndịrị nta nke abụọ (JSS2) gọọmentị nwe mee. Nke bụ maka na ha bụ ụmụakwụkwọ ndị nwetagoro mmụta n'ebe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo nọ. Ụlọakwụkwọ ndị gọọmentị nwe dị asaa n' ọnụọgụ n' ime okpuru ọchịchị Oyi. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ọsịsa njụmaza na nka na usoro iwulite nkuzi na Ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo n' Ụlọakwụkwọ Jụnịọ Sekọndịrị dị n' okpuru ọchịchị Oyi Nọtụ (NNUINOUINUJS). Ọ dị iri (10) n' ọnụọgụ nke ndị nchọcha mebere iji lele ka Nka na usoro nkuzi si ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo o'ogo agụmakwụkwọ Junịọ Sekọndirị n' okpuru Ọchịchị Oyi Steti Anambra. Ndị Ọkammụta nọ na ngalaba Mmụta Nka nakwa measurement na evaluation leziri ya anya ma nye ntụziaka etu ọ dị ugbu a. Ajụjụ nchọcha abụọ ka

e ji mee nchọcha. E mere nnwale ntụkwasịobi nke nyere akara 0.79 n'usoro Crombach Alpha. Ọnụọgụ ndị njrimee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị otu puku na narị abụọ (1200) nọ n'ogo agụmakwụkwọ afọ nke abụọ. E ji usoro tụmbọm tụbọm họpụta ụmụakwụkwọ dị otu nari na iri abụọ (120) n'ọnụọgụ n'ime ọnụọgụ ndị njrimee nchọcha. Ha seere ụlọakwụkwọ anọ n'ime ụlọakwụkwọ niile di n'okpuru ọchịchị Oyi Steti Anambra mee nchọcha a. Ngwa nchọcha dị nkeji abụọ: Nkeji A na Nkeji B nke gbadoro ụkwụ n'usoro ndị a wee hazie ọsịsa ajụjụ ha: EI = Ekwesiri m ike 2 A I = Ajụsiri m ike 3 A = Ajụrụ m 4 E = Ekwere m iji hụ na ngwa nchọcha a mejụpụtara ihe a tụrụ anya.

Ndi nchọcha a gara n'ụlọakwụkwọ ndị ha seere ma kesara ụmụakwụkwọ ederede njumaza ahụ, iji nweta ọsịsa maka ajụjụ nchọcha .

Ndị nchọcha jiri miin wee tapịa ọsịsa ajụjụ ha ma hazie ya n' ụdị tebulu site n' igbaso usoro ajụjụ nchọcha njumaza. Akara e ji nabata ọsịsa ajụjụ ọbụla dịka nka na usoro iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị n' okpuru ọchịchị Oyi Nọtụ bụ akara 2.5 maọbụ karịa.

Rịzọlt

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Kedu ka nka nkuzi ga-esi wulite nkuzi na ọmụmụ ụtaasụsụ Igbo ?.

Tebulu Nke Mbụ: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe na-egosi nka nkuzi ndị ahụ ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtaasụsụ Igbo.

Ọnụọgụ	Ndịna	E1	E	A	A1	Miin	SD	Mkpebi
1.	Onye nkuzi iji Igbo izugbe tọrọ atọ wee na-akuzi ụtọasụsụ Igbo.	40	20	30	10	2.85	1.02	Anabatara
2.	Ijụ ụmụakwụkwọ ajụjụ oge nkuzi ụtọasụsụ na-aga n'ihu.	35	25	25	15	2.80	1.08	Anabatara
3.	Iji ihe ọmụmaatụ mee ka ihe a na-akuzi doo anya.	30	30	30	10	2.80	0.98	Anabatara
4.	Iwekọlata ngwa nkuzi ma jiri ha kuzie ihe n' ụzọ dabara adaba.	55	25	5	15	3.20	1.08	Anabatara

5.	Onye ụmụakwụkwọ ohere ijụ ajụjụ ịza ajụjụ oge a na-akuzi ụtọasụsụ							
	Mgbakọta miini					**14.9**		

Tebulu nke abụọ a gosiri ọsisa miini na ndịpụ n'izugbe nka nkuzi ndị ahụ ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị skulu dị n'okpuru ọchịchị Oyi Nọtụ. Site n'ọsịsa ndị nza ajụjụ nyere, bido na ndịna ajụjụ nke mbụ ruo na nke ise bụgbado nka nkuzi ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ihi na miini ha gafechara 2.50 dịka ihe ndị nchọcha kpebiri ha ga eji rụọ ọrụ ha.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: Olee usoro nkuzi ga-enye aka n'iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo?

Tebulu Nke Abụọ: Ọsịsa miini na ndịpụ n'izugbe na egosi usoro nkuzi ndị ahụ ga-enye aka n'iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.

Ọnụọgụ	**Ndịna**	**E1**	**E**	**A**	**A1**	**Miin**	**SD**	**Mkpebi**
6.	Usoro akụkọ	50	35	5	10	3.25	0.95	Nabatara
7.	Usoro mkparịtaụka	40	20	30	10	2.85	1.02	Nabatara
8.	Usoro asọmpi	35	25	25	15	2.80	1.08	Nabatara
9.	Usoro ejije	45	25	20	10	3.05	1.03	Nabatara
10.	Usoro arụmarụ na nchọpụta	30	30	30	10	2.80	0.98	Nabatara
	Mgbakọta miini					**14.75**		

Tebulu nke abụọ a na-egosi na ndịna ajụjụ nke isii ruo na nke iri bụgbado usoro ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Oyi Nọtụ. Nke a bụ maka na akara miini ndị zara ajụjụ nwetachara gafere 2.50 dịka ndị nchọcha siri kpebie na nke miini ya erughi anabataghi ihe e kwuru maka ya.

Nkọwa Nchọpụta

Nchọpụta sitere na ọsịsa njụmaza gosiri na iwebata nka na usoro nkuzi dị iche iche dị mma ma dị ezi mkpa ịguzobe maka ịkwalite mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n 'ọmụmụ ụtoasụsụ Igbo. Ihe ndị a metutara: iwebata ajụjụ, ọmụmaatụ, isụ na ide Igbo izugbe nke ọma na ngwa nkuzi ga-enye aka n'iwulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Igbasokwa usoro nkuzi dị iche iche dika usoro ejije, akụkọ, mkparitaụka, asọmpi na arụmarụ dị ezigbo mkpa na ikuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Nke a pụtara ihe na aziza ha niile gbasara iji ngwa nkuzi dabara adaba akuzi ụtọasụsụ Igbo.

Mmechi

Mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ Sekọndịrị ọkachasi ndị nọ n' ogo jụnịọ sekọndịrị na ngalaba ụtọasụsụ Igbo ga-adị elu ma ọ bụrụ na ndị nkuzi asụsụ Igbo ga – amalite itinye nka na usoro nkuzi ndị a n 'ọrụ. Nke a ga-adị ire mgbe ha ga-amụta ka e si emebe okwu, nsụpe mkpụrụokwu, ịkpọpụta okwu., iwu dị n' usoro edemede asụsụ Igbo. imejuputa ahịrịokwu na ọrụ dị iche iche 'na' na 'ga' na-arụ n'asụsụ Igbo.

Aro

Site na nchọpụta ndị nchọcha tunyere aro dị a:

a) Ndị goomentị ga-agba mbọ tinye aka n'ịzụ nwata akwụkwọ ọbụla chọrọ ịgụ maka asụsụ Igbo n' efu.

b) Ndị nne na nna ga-agba mbọ na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha malite n'oge ha dị na nwata.

ch) Ndị isi ụlọakwụkwọ sekọndịrị ga na-achịkọba asọmpi n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche iji mee ka ụmụaka mata na asụsụ Igbo dịkwa mkpa ka asụsụ bekee.

d) Ndị goomenti ndị nchọcha tụrụ aro ka gọọmenti gbaa mbọ na-egwuzobe ọgbakọ semina kwamgbe kwamgbe iji kuziere ma kpughere ndị nkuzi ụzọ ọgbaraọhụụ ha ga na-agbaso n'ikuzi ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ọkachasị bido n'ogo Sekọndịrị Junịọ.

Nchịkọta

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nka n'usoro nkuzi ga-ewulite nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ jụnịọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Oyi. Nke a bụ

maka na ụmụakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị a anaghị eme nke ọma n'ule WAEC ha.

Nchọpụta gosiri na ndị nkuzi anaghị e ji nka na usoro nkuzi dabara adaba akuzi ụtọasụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị nne na nna na mpaghara Oyi amaghị Igbo izugbe nke ọma nke bụ maka na ha anaghị ebido n'oge akuziri ụmụaka ha asụsụ Igbo Izugbe.Nke a bụ nnukwu ndọghachi azụ na mmasị ụmụaka n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe dị.

NRỤTỤAKA

Afiadigwe, A.N. & Onuigbo, N.P. (2014). "Etu a ga-esi kwalite ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria dị na Nsụka" Unpublished B.Ed project, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Asogwa, F.O, Agada, J.O. & Obetta, G.U. (2017). 'Ogbataujie ụmụakwụkwọ ndị nkuzi na-enwe na nkuzi na ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị n' okpuru ọchịchị udenu". Unpublished B.Ed Project, faculty of Education, University of Nigeria Nsukka. .

Bandura, A. (19250. Social learning theory. Eaglewood Cliff N.J: Prentice Hall.

Chomsky, N. (1959). Review of verbal behavior by B.F. Skinner. The Hague: Mouton.

Ebe, A.E (2004). Nka nkuzi Igbo maka ụlọakwụkwọ praịmarị na jụnịọ sekọndịrị skuulu.

Eze, R.I. (2016). Adịmire usoro mkpakọrịta na mmasị ụmụakwụkwọ n'ideta ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwụ sekọndịrị, zonu edukashọn obollo, steti Enugwu Naijiria. Amụma Ph.D. Mahadum Naijiria Nsụka.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta Asụsụ Igbo N'Ogo Junịọ Sekọndịrị* . Chuka Educational Publishers, NSUKKA, Nigeria.ISBN-978-56751-8-4.

Eze, R.I. na Umo (2021). Ụtọasụsụ na omenaala Igbo maka senịọ sekọndịrị, SSCE, NABTEB na JAMB. Merit Internatinal Publications Lagos, Nigeria. ISBN: 978-978-52902-6-4.

Eze, R. I. (2021). Nka Usoro Nchọcha n'asụsụ Igbo N'ogo Mahadum. Chuka Educational Publishers, NSukka, Nigeria. ISBN-978-978-56751-7-7

1. Rajalakshmi, K. (2011). Effective ways to teach grammar Retreived (2014) from http://www.teachingengligh.org.uk/blogs/krajalakshmi/effective-way-teach-english-grammar.

Ugwuoke, P.E & Odada, S (2023) Nnyocha Ụfọdụ Atụmatụokwu ndị OdeeJi Rụọ ọrọ n'ejije Ezindụ site n'atụtụ sttailistiks/sayensị akanka. In Journal of Linguisti Association of Nigeria (JOLAN). Vol 26.2, pg 160-175